# MKPỤRỤ ỤDAASỤSỤ NA MKPỤRỤASỤSỤ: MYIRI NA NDỊICHE HA N'OLU ARỌCHUKWU

**Ngozi Anyaku Kanu**

Ngalaba Amụmamụ Igbo, Afrịka na Eshia
Mahadum Nnamdị Azikiwe, Ọka
Steeti Anambara, Naijirịa

## Ụmịedemede

Asụsụ bụ ụda mmadụ na-eme nke nwere nghọta site na nkwekọrịta ọhanaeze nwe ya. Asụsụ bụ ụzọ ndị mmadụ si akparịta ụbụbọ site n'okwu ọnụ ma ọ bụ n'odide. Asụsụ ọ bụla nwere olundị dị iche iche mejupụtara ya. Asụsụ Igbo dị ka otu n'ime asụsụ e nwere nwekwara olundị dị iche iche nke Arọchukwu so n'ime ya. Olundị ọ bụla nwere mkpụrụedemede e ji ede ya. Ọ bụ nke a mere ndị amụmamụ sayensị asụsụ jiri bata ịhazi asụsụ ma ọ bụ olundị ndị a. Ha wepụtara ụzọ ihe ise a ga-eji hazie asụsụ ọ bụla ma ọ bụ tule asụsụ. Ha bụ: ọdịdị ụda, ọdịdị ụdaasụsụ,mmebe okwu, usoro okwu na nghọta okwu. Nwa nchọcha ga-ahọrọ isi okwu abụọ bụ mkpụrụụdaasụsụ na mkpụrụasụsụ ma were olu Arọchukwu tulee ha. Ọdịdị ụdaasụsụ ji mkpụrụụdaasụsụ arụ ọrụ ebe mmebe okwu ji mkpụrụasụsụ arụ ọrụ. Nke a bụ kpọm kwem isi okwu a na-eme nchọcha na ya. Ndị ọkammụta dị iche iche emeela nchọcha n'ihe gbasara mkpụrụụdaasụsụ na mkpụrụasụsụ n'asụsụ dị iche iche, mana nwa nchọcha ahụbeghị nke e mere n'olu Arọchukwu. Ọ bụ ya kpatara nwa nchọcha jiri chọọ ime nchọcha n'isi okwu a bụ "Mkpụrụụdaasụsụ na mkpụrụasụsụ: myiri na ndịiche ha n'olu Arọchukwu". Ebumnuche ndị nwa nchọcha ji eme nchọcha a bụ ịkọwa ihe bụ mkpụrụụdaasụsụ, ịkọwa ihe bụ mkpụrụasụsụ, ịchọpụta myiri dị na mkpụrụụdaasụsụ na mkpụrụasụsụ n'olu Arọchukwu, tinyere ịchọpụta ndịiche dị na mkpụrụụdaasụsụ na mkpụrụasụsụ n'olu Arọchukwu. Usoro nwa nchọcha jiri mee nchọcha a bụ usoro nkọwa. Ọ bụ atụtụ mkpụrụokwu ka nwa nchọcha ji mee nchọcha a. Nwa nchọcha chọpụtara na ọ bụ site na mkpụrụụdaasụsụ ka e si enweta mkpụrụasụsụ. Ya mere nchọcha a ga-abụ enyemaaka nye ndị nkuzi, ụmụ akwụkwọ, ndị odee akwụkwọ Igbo na ndị ọzọ nwere nmasị n'asụsụ Igbo.

## Okwu mmalite

E nwere ọtụtụ okwu dị iche iche n'asụsụ Igbo. Ọ bụkwa etu ahụ ha siri dị iche iche ka mmebe ha siri dị iche iche. Okwu ọ bụla e nwere n'asụsụ Igbo nwere etu e si enweta ya. A bịa n'ụtọasụsụ Igbo, e nwere mkpụrụụdaasụsụ (fọnịm) na mkpụrụasụsụ (mọfịm). Mkpụrụụdaasụsụ bụ ụdaasụsụ kachasị nta ma na-ebute ndị iche na nghọta okwu.

Mkpa ha abụọ dị na uru ha na-abara asụsụ Igbo ma ọ bụ olundị dị iche iche na-esite na mmekọrịta na-adị n'etiti mkpụrụụdaasụsụ na mkpụrụasụsụ ịkọwa. Ụdị mmekọrịta a so n'ihe nwa nchọcha ji eme nchọcha a. Ịmata mkpa ndị ahụ ga-abara ndị nwe asụsụ uru. Ọ bụ ya kpatara nwa nchọcha jiri chọọ ime chọcha n'isi okwu a bụ " Mkpụrụụdaasụsụ na Mkpụrụasụsụ: myiri na ndịiche ha n'olu Arọchukwu". Ebumnuche ndị nwa nchọcha ji maka ha eme nchọcha a dị anọ. Nke mbụ bụ ikọwa ihe bụ mkpụrụụdaasụsụ. Nke abụọ bụ ịkọwa mkpụrụasụsụ. Nke atọ bụ myiri dị na mkpụrụụdaasụsụ na mkpụrụasụsụ n'olu Arọchukwu. Nke anọ ma bụrụ nke ikpeazụ bụ ịchọpụta ndịiche dị na mkpụrụụdaasụsụ na mkpụrụasụsụ n'olu Arọchukwu.

Usoro nwa nchọcha jiri mee nchọcha a bụ usoro nkọwa ma ji atụtụ mkpụrụokwu tụchaa ngwa nchọcha. Usoro a gbasoro were hazie edemede nchọcha a bụ: okwu mmalite: Nke a bụ ebe nwa nchọcha kọwara etu o siri hazie nchọcha a. Onye ọ bụla gụrụ okwu mmalite a ga-ama ihe ndị

dị n'ime akwụkwọ a na nke adịghị ya. Na ntụleghari agụmagụ ka nwa nchọcha depụtachara ihe ndị mmadụ kọwara bụ Asụsụ, Lingwistiiks, Ọdịdị ụdaasụsụ, mmebe okwu, mkpụrụụdaasụsụ na mkpụrụasụsụ ma chịkọta ha niile ọnụ were wepụta nkọwa nke ha. Ntụcha nchọpụta nchọcha: nwa nchọcha deturu ihe niile ọ chọpụtara gbasara isi okwu a na-eme nchọcha na ya. Ọ bụkwa ebe a ka a na-elekwasị ndị nchọcha anya ịkọwa ihe bụ isi okwu ha nke ọma ma nyekwa ọmụma atụ etu ọ ga-edo anya. Na nchịkọta nchọpụta nchọcha ka nwa nchọcha chịkọtara ihe niile ọ chọpụtara etu ọ ga-edo anya ma mechie ya.

Ndị nchọcha a ga-abara uru gụnyere: ndị nkuzi, ụmụ akwụkwọ, ndị odee akwụkwọ Igbo na ndị ọzọ nwere mmasị n'asụsụ Igbo.

## Ntụleghari agụmagụ

N'ebe a, nwa nchọcha ga-eleba anya n'ihe ọtụtụ ndị odee derela gbasara mkpụrụụdaasụsụ na mkpụrụasụsụ. Nwa nchọcha zipụtara atụtụ a ga-eji rụọ ọrụ n'isi okwu a na-eme nchọcha na ya.

## Asụsụ

Apakama (2006:11) na-akọwa asụsụ dị ka otu ụzọ mmadụ si ekwupụta ihe ndị dị ya n'uche ka ndị ọzọ nwee ike ịghọta ha. Ihe nke a pụtara bụ na nghọta dị oke mkpa na mmekọrịta mmadụ na ibe ya. E nwere ọtụtụ uru asụsụ baara mmadụ. Ezema (2012:1) na-ahụta asụsụ dịka okwu ọnụ, mmeghari ahụ ma ọ bụ ụzọ ọzọ dị iche iche mmadụ si agwa ibe ya okwu. Obodo, mba ma ọ bụ agbụrụ ọ bụla nwere asụsụ e ji mara ha. Iji maa atụ n'ala Naijiria, agbụrụ dị iche iche nwere asụsụ e ji mara ha. E nwere asụsụ Awụsa, Yoroba, Igbo, Ibibio, Ịjọ, Nupe dg. E wepụ asụsụ ndị a, e nwerekwara asụsụ Bekee nke obodo anyị ji arụ ọrụ oyibo na ọtụtụ ihe ndị ọzọ ha chọrọ ime. Emenanjo (2015:2) na-ekwu na mmadụ karịrị nde iri n'ọnụọgụ n'ọwụwa anyanwu Naijiria na-asụ Igbo. Asụsụ Igbo bụ asụsụ kacha pụta ihe na steeti Abịa, Enugwu, Anambara, Ebonyi na Imo. O sokwa n'asụsụ a na-asụ n'ụfọdụ ebe na steeti Delta na Rivas, obodo ndị a bụ ebe a na-asụ karịa otu asụsụ. Asụsụ Igbo bụkwa otu n'ime asụsụ atọ e wepụtara na Naijiria ka a na-akụzi n'ụlọakwụkwọ praịmarị na sekọndịrị dịka asụsụ nne. Asụsụ Igbo bụ asụsụ ụda olu, mpụtara okwu nwere ike ịdaghari site n'olu e ji kpọpụta ya.

Apakama (2006), Ezema (2012) na Emenanjo (2015) na-akọwa asụsụ dị ka ihe mmadụ na ibe ya ji enwe mmekọrịta. Ezema (2012) na Emenanjo (2015) na-ekwu na agbụrụ ọ bụla nwere asụsụ e ji mara ha. A bịa n'ala Naijiria, e nwere asụsụ atọ doro anya e ji mara ndị Naijiria, ha bụ: Igbo, Awụsa na Yoroba. Asụsụ Igbo dị ka Arọchukwu so n'otu n'ime ha kacha pụta ihe na steeti ndị a: Abịa, Enugwu, Anambara, Imo na Ebonyi.

## Olundị

Ezema (2012:3) na-ahụta olundị dịka asụsụ nwere olu dị iche iche. Ọmụma atụ: Nsụka, Oni, Udi, Arọchukwu, Obiene, Owere, Ikwere dg. Bụcha olundị dị n'asụsụ Igbo. Ewelukwa (2012:32) na-akọwa olundị dịka olu mba dị iche iche a na-asụ na mpaghara ala anyị dị iche iche. Ezeumudo (2000:14) kwuru na olundị dịka olu ndị ahụ dịgasị iche iche e ji asụ otu ụdị asụsụ. Ọ gara n'ihu kwuo na ọ bụghị otu olu ka e ji asụ otu asụsụ. ọ bụ olu ndị a ka e ji amata mba dị iche iche.

Nkọwa ha gosiri na olu asụsụ ọ bụla e nwere n'ụwa nwere ike ịdị n'ụdị dị iche iche mana nghọta ha niile na-abụ otu. Ume, Ugoji na Dike (2006) na-akọwa olundị dị ka otu ụdị asụsụ nke dị iche n'ime ụdị asụsụ ndị ọzọ site n'ụtọasụsụ, akpaalaokwu ma ọ bụ

mkpọpụta. O nwere obere ugwu na nsọpụrụ n'obodo mana ọrụ ọ na-arụ akarịghị n'ebe dị nta. Ezeumudo (1985) kpọrọ olundị olu mba bụ nke ọ kọwara dịka olu ndị ahụ dịgasị iche iche mba dị iche iche ji asụ otu ụdị asụsụ. Ọ kọwara na ọ bụghị otu ụdị olu ka e ji asụ otu asụsụ. N'echiche ya, mba dị iche iche nwere olu dị iche iche ha ji asụ asụsụ. Ọ bụ ndị a ka e ji amatakwa mba dị iche iche. Ọ gara n'ihu kwue na Igbo izugbe bụ nchịkọta ọnụ a chịkọtara olu mba dị iche iche. Anozie (1999) na-akọwa olundị dị ka asụsụ dị iche iche e jiri mara obodo dị iche iche. O kwuru na mgbe ọ bụla mmadụ na-ekwu okwu na ọ bụ site n'olu asụsụ ya ka a ga-esi mata obodo o siri pụta.

N'ezi e, olu ndị bụ njirimara obodo ọ bụla. Ọ bụkwa olu obodo ahụ ka ha ji akparịta ụka ma werekwa ya na-eme omenala ha. Site na nchọpụta ndị odee ndị a, a chọpụtara na ọ bụ site n'olundị dị iche iche ka e mekọbara ọnụ were mepụta Igbo izugbe.

## Lingwistiks

Dixon (2009) na-ekwu na Lingwistiks kwesịrị ịmụ maka iwu na-achị asụsụ tupu ha ekwuwe nke dabara na nke adabaghị. Ndimele (2008) dere na alaka na-amụ maka asụsụ bụ Lingwistiks. Ọ bụ ya na-amụ maka asụsụ niile e nwere n'ụwa. Ha wepụtara ụzọ ihe anọ a ga-elekwasị anya mgbe a na-emebe asụsụ. Ha bụ: ọdịdị ụda, ọdịdị ụdaasụsụ, mmebe okwu, usoro okwu na nghọta okwu. Kingstan (2007) na-ekwu na Lingwistiks na-amụ ọtụtụ ihe n'asụsụ, etu e si emepụta ụda ma mee ya ka ọ pụta ihe n'okwu. Ọ na-ekwukwa etu asụsụ si eto ma nwe mgbanwe. Meyer (2010) na-akọwa etu e si eji ụda ndị a na-emepụta were emebe okwu n'ahịrịokwu nke bụ ihe e ji agbatị asụsụ. Umeodinka, Ugochukwu, Ogwudile na Ilechukwu (2019:19) dere na Lingwistiiks bụ mpaghara amụmamụ gbakwasara ụkwụ n'isite n'ụzọ sayensị mụọ maka asụsụ. O jee n'asụsụ, ihe ọ na-achọ ịmata bụ ọdịdị ya, agwa ya na njirimara ya. Ọ na-elebakwa anya n'ụdaasụsụ, mkpụrụokwu na ụtọasụsụ ahụ, na-achọkwa ịmata mmetụta ma ọ bụ njikọtara dị n'etiti asụsụ na ibe ya.

Site na ntụleghari okwu odee ndị a, o doro anya na Lingwistiks bụ alaka asụsụ gbagidere ụkwụ were na-akọwa onwe ya. Lingwistiks nwere alaka dị iche iche nke e ji ahazi asụsụ, ha gụnyere: Ọdịdị ụda, Ọdịdị ụdaasụsụ, mmebe okwu, usoro okwu na nghọta okwu. Ebe nchọcha a gbadoro ụkwụ bụ na ọdịdị ụdaasụsụ na mmebe okwu.

## Ọdịdị Ụdaasụsụ (Fọnọlọji)

Odden (2013) na-akọwa ọdịdị ụdaasụsụ dị ka mpaghara Lingwistiiks na-amụ maka ụda n'asụsụ ọ bụla ma ziputa etu e si emepụta ụda n'ụdịdị ya. A chọpụtara na ọdịdị ụdaasụsụ bụ ndịiche a na-enweta n'ụda. Crystal (2003) na-akọwa ọdịdị ụdaasụsụ dị ka ọmụmụ ọdịdị ụda n'asụsụ nke dị iche n'ọmụmụ usoro okwu na mmebe okwu. Crystal (2005) na-ekwu na ọdịdị ụdaasụsụ bụ ọmụmụ ịchọpụta ụda ndị e nwere n'asụsụ. Nathan (2008) rụtụrụ aka na ọdịdị ụdaasụsụ bụ iwu na-achị mkpụrụụdaasụsụ nke bụ ụdị ụda asụsụ nwere ike inwe ndị ụda ha anaghị apụtacha na mkpatara ya. Osuagwu, Nwaozuzu, Dike, Nwaogu na Okoro (1997) sị na ọdịdị ụdaasụsụ a na-akpakọ ụda ọnụ dị ka otu ha siri yie onwe ha. A họpụtara mkpọpụta ụda ndị e ji arụkarị ọrụ ebe ndị e jighị arụkarị ọrụ ma ọ bụ ndị adịchaghị mkpa ka e leghara anya. Roach (2000) na-kọwa ọdịdị ụdaasụsụ dị ka ngalaba na-amụ maka mkpọpụta ụda dị n'asụsụ na ọrụ ha n'asụsụ ọ bụla ha batara. Ihe gbasara ọdịdị ụdaasụsụ na-agbakwasị ụkwụ na mkpụrụụdaasụsụ. Ume, Ugoji, na Dike (2006) mere ka a mata na ọdịdị ụdaasụsụ bụ ọmụmụ njirimara usoro ụdaasụsụ, ọ bụ ọmụmụ saynsị ụdaasụsụ na-ebute nghọta dị iche na mkpụrụokwu na ibe ya. Ụdị ụdaasụsụ

a na-ebute nghọta dị iche na mkpụrụokwu abụọ yiri onwe ha ma e wezuga otu mkpụrụụda ka a na-akpọ fọnịm. Site n'ọtụtụ ihe ndị ọkammụta kwurula gbasara ọdịdị ụdaasụsụ, a chọputara na ọ bụ n'ọdịdị ụdaasụsụ ka mkpụrụụdaasụsụ siri pụta. Osuagwu, Nwaozuzu, Dike, Nwaogu na Okoro (1997), Roach (2000), Crystal (2003), Crystal (2005), Ume, Ugoji na Dike (2006), Nathan (2008) na Odden (2013) na na-akọwa ọdịdị ụdaasụsụ dịka ọmụmụ sayensị ụdaasụsụ nke na-ebute nghọta dị iche na mkpụrụokwu na ibe ya. Ọ bụ ngalaba na-amụ maka mkpọpụta ụda dị n'asụsụ na ọrụ ha n'asụsụ ọ bụla ha batara.

N'ezie, ọmụmụ ọdịdị ụdaasụsụ dị iche n'ọmụmụ mmebe okwu na usoro okwu n'ihi na ọ bụ ọdịdị ụdaasụsụ na-ewepụta ụda ndị e nwere na mkpụrụokwu.

**Mkpụrụ ụdaasụsụ (Fọnịm)**

Murray (1995) kwuru na mkpụrụ ụdaasụsụ dịka irighiri ụda ndị ahụ kachasị nta nke na-ebute ndịiche na nghọta. Asụsụ dị iche iche nwere mkpurụ ụdaasụsụ dị iche iche. A naghị ekwu okwu mana a ma na ọ dị n'ihi etu mkpụrụ ụda na-esi arụ ọrụ mgbe e ji ya kwuo okwu. Whitla (2010) rụtụrụ aka na mkpụrụ ụdaasụsụ bụ izipụta ụda ndị ahụ dị iche n'asụsụ. Ụda ndị ahụ na-ekewapụ asụsụ na ibe ya. Mkpụrụ ụdaasụsụ bụ ndịiche dị n'ụda nke nwere ike ibute mgbanwe na nghọta. Dịka Dixon (2009) siri dee, mkpụrụụdaasụsụ bụ ụda pụrụ iche a na-enweta n'asụsụ abụọ. N'ikwu eziokwu, atụtụ ọdịdị ụdaasụsụ niile na-ekwu na asụsụ a sụrụ nwere ike ịgbasasị ma nwee ụda nke bụ mkpụrụ udaasụsụ. Trask (2004) na-ekwu na mkpụrụ ụdaasụsụ bụ ụda ndị ahụ dịkarịchara nta, nke nwere ike iweta mgbanwe na nghọta. Booij (2012) sị na mkpụrụ udaasụsụ bụ ụmụ irighiri mkpụrụokwu (mkpụrụedemede) e nwere na mkpụrụokwu. Ọ bụ ụmụ irighiri mkpụrụedemede ndị a na-ewekọta nghọta ha na ụda ha ọnụ iji mebe mkpụrụokwu. Ume, Ugoji na Dike (2006:11) na-akọwa mkpụrụụdaasụsụ dị ka ụdaasụsụ kachasị nta nke na-ebute ndịiche na nghọta okwu. E nwere ụzọ ihe abụọ kachasị mkpa e ji amata mkpụrụ ụdaasụsụ n'asụsụ, ha bụ mbata na myiri na mkpụrụokwu. Umeodinka, Ugochukwu, Ogwudile na Ilechukwu (2019:32) kwuru na mkpụrụ ụdaasụsụ dị ka ụda dịkarịchara nta ma ọ bụ pekarịchara mpe n'ikwu okwu. Ọ bụ ebe mmalite nke abụọ n'amụmamụ ụda asụsụ nke asụsụ ọ bụla, nke a na-edekọta ya na mkpụrụ ụdaasụsụ ndị ọzọ ọnụ iji mepụta mkpụrụasụsu ma ọ bụ mkpụrụokwu. Ihe ọzọ anyị ga- eleba anya bụ mmebe okwu.

**Mmebe okwu**

Booij (2012) na-ahụta mmebe okwu dị ka alaka Lingwistiiks bụrụkwa ihe dị oke mkpa e ji ahazi asụsụ na-amụ maka okwu, mana ebe ọ gbagidere ụkwụ bụ na mkpụrụasụsụ nke bụ irighiri okwu a na-enweta n'asụsụ. Ndimele (2003) na-ekwu na mmebe okwu na-amụ maka ihe miri emi n'okwu. Anagbogu, Mbah na Eme (2010) na-ahụta mmebe okwu dị ka usoro asụsụ nke na-amụ maka mkpụrụasụsụ a haziri nke ọma na mkpụrụokwu. Ume, Ugoji na Dike (2006) na-akọwa mmebe okwu di ka ọmụmụ gbasara mọfịm na etu ha si ejikọ ọnụ emebe mkpụrụokwu. Site na nchọcha e mere gbasara mmebe okwu, a chọputara na ọ bụ na mmebe okwu ka mkpụrụasụsụ siri pụta. Demson (2008) hụrụ mmebe okwu dị ka ọmụmụ gbasara mkpụrụokwu. Mkpụrụasụsụ bụ irighiri okwu na-enwe nghọta ma a gaghị ekerinwu ya karịa etu ahụ ọ dị. Mmebe okwu na-amụ ihe miri emi dị n'okwu na ka e si emepụta ya nke a bụ ebe Lingwistiiks gbadoro ụkwụ eme nchọcha ya gbasara asụsụ ọ bụla.

Ndimele (2003), Anagbogu, na Ume, Ugoji na Dike (2006), Demson (2008), Mbah na Eme (2010), Booij (2012) na-ahụta mmebe okwu dị ka alaka Lingwistiiks na-amụ maka okwu mana ebe ọ gbagịdere ụkwụ bụ na mkpụrụasụsụ. Ọ na-ewepụtakwa ụda ndị ahụ zoro ezo n'okwu. Mmebe okwu na-amụ etu mkpụrụasụsu si ejikọ ọnụ emebe mkpụrụokwu. Nke a bụ ịgbaso usoro iwu asụsụ Igbo wee nweta okwu ọzọ.

## Mkpụrụ asụsụ (Mọfịm)

Kingstan (2007) dere na mkpụrụasụsụ bụ ụda ndị ahụ kachasị nta a na-enweta n'asụsụ. A naghị ahụta mkpụrụasụsụ dị ka mkpụrụokwu. Ihe dị iche iche dị na ha bụ na mkpụrụasụsu mgbe ụfọdụ anaghị anọrọ onwe ya mana mkpụrụokwu na-anọrọ onwe ya ebe ọ bụla a hụtara ya. Mgbe mkpụrụ ụdaasụsụ kwụụrụ onwe ya, a na-ahụta ya ka mkpụrụasụsụ nnọrọonwe maka na nghọta ya zuru oke, dịka oge, ndụ, wdg. Mgbe ọ dabere na mkpụrụ ụdaasụsụ ọzọ, a na-akpọ ya mkpụrụasụsụ ndabe. Ọmụma atụ: "erila" nke a nwere nkeji okwu atọ e + ri + la ya bụ na "e" na "la" na-emejupụta "ri" iji nye ya nghọta. Ndimele (2003) sị na mkpụrụasụsụ bụ ihe dị mkpa e ji akọwa mmebe okwu. Mkpụrụasụsụ bụ ụzọ dị nta e si enweta ụda ma were ya na-emebe okwu. Osuagwu, Nwaozuzu, Dike, Nwaogu na Okoro (1997) na-akọwa mkpụrụasụsụ di ka irighiri okwu a na-enweta n'asụsụ nke nwere nghọta. Ume, Ugoji na Dike (2006) na-ekwu na mkpụrụasụsụ bụ irighiri okwu kachasị nta ma nwee nghọta n'asụsụ ọ bụla. Ọ bụ nke a kpatara saynesị asụsụ jiri na-elekwasị anya n'ọdịdị ụdaasụsụ. Demson (2008) mere ka a mata na mkpụrụasụsụ dị ka irighiri mkpụrụasụsụ kachasị nta ma nwekwa nghọta. Ọ bụ nke a mere e ji elekwasị anya na ya mgbe ọ bụla a na-ekwu maka ọdịdị ụdaasụsụ. Ọ bụrụ na e kewakwuo mọfịm karịa ka ọ dị na mbụ ọ gaghị enwekwa nghọta ọzọ. Umeodinka, Ugochukwu, Ogwudile na Ilechukwu (2019) na-ekwu na mkpụrụasụsụ bụ ụda ndị ahụ a haziri ahazi, okwu ndị dịkarịchara ntakịri ma nwee mpụtara n'asụsụ.

## Atụtụ nchọcha

Atụtụ anyị jiri mee nchọcha a bụ atụtụ mkpụrụokwu nke nyeere anyị aka ịhazi ihe niile anyị chọpụtara. Ndị wubere atụtụ a bụ Mohanan na Kiparsky n'afọ 1982. Ha na-akọwa na ọdịdị mkpụrụokwu nwere etu dị iche iche e si ewube ya. Nke a bụ site n'ọdịdị mkpụrụ ụda dị iche iche. N'Igbo, ọ bụrụ na e were atụtụ a rụọ ọrụ, e nwere ike iwepụta ọkpụrụkpụ okwu ndị a:

a) Mgbe a gbakwụnyere nganihu n'isi ngwaa kwụburu onwe ya, a na-enweta mkpọaha.
b) Mgbe a gbakwụnyere nsonazụ n'isi ngwaa kwụụrụ onwe ya, a na-enweta ngwaa kwụrụ onwe ya. Ya bụ na atụtụ a na-akọwa etu ụda dị iche iche si enye aka n'iwube okwu dị iche iche.

Mmebe okwu bụ mpaghara amụmamụ asụsụ na-amụ etu e si emebe okwu n'asụsụ dị iche iche. Mmebe okwu na usoro okwu kwụrụ onwe ha n'ihi na ha abụọ na-amụ ka e si ahazi mkpụrụ echiche n'okwu. Etu o sila dị, usoro mmebe okwu na-ejedebe na mkpụrụokwu ebe oke usoro okwu bụ ahịrị okwu ma ọ bụ nkeji mmeju.

Na mmebe okwu, isi sekpụ ntị bụ mkpụrụasụsụ (mọfịm) ma ọ bụ mkpụrụ echiche. Nke a bụ okwu ma ọ bụ irighiri okwu nwere echiche n'ụtọasụsụ nke a na e nweghị ike igbuda

n’emebighị echiche ya bụ okwu. E nwere ụdị mkpụrụ echiche ma ọ bụ mọfim abụọ: Mọfịm Nnọrọonwe na Mọfịm Ndabe.

Mọfịm nnọrọ onwe: Nke a bụ ụdi mọfịm nwere echiche ma nwee ike ịkwụrụ onwe ya dịka mkpụrụokwu, ọmụma atụ: “ji, ede, ọkụkọ, oge, ego, eze, dg.

Mọfịm ndabe bụ ụdị mọfịm nke nwere echiche mana o nweghị ike ịkwụru onwe ya. Ọ ga-adabedo na mọfịm ndị ọzọ; dịka: “ ra, la, ghi, e, m, “ dg.

**Nchọcha ndị e merela**

Nwabuko (2015) na nchọcha o mere n’olu Uzuakọlị na nke Igbo Izugbe chọpụtara ụda ụfọdụ e nwere n’Uzuakọlị adịghị n’Igbo Izugbe. Ọ chọpụtakwara na mkpụrụụdasụsụ mgbochiume ndị Uzuakọlị dị iri atọ.

| Igbo Izugbe | Uzuakọlị | Bekee |
|---|---|---|
| akpụ | jiakpụ | cassava |
| nri | horiri | food |
| afọ | ahwọ | stomach |
| ofe | oho | soup |
| afere | agbụgba | plate |

Okebaram, Nwaigbo na Oguchukwu (2014) na nchọcha ha mere, gosipụtara ndịiche dị n’olundị Ọbazụ Mbieri na Igbo Izugbe, ebe o metụtara mkpụrụ ụdaasụsụ. Ụfọdụ n’ime mkpụrụokwu ha jiri mee nchọcha n’olundị a gụnyere:

| Igbo Izugbe | Ọbazụ Mbieri | Bekee |
|---|---|---|
| ite | ide | pot |
| atọ | adọ | three |
| ọtọ | ọdọ | naked |
| ekete | ekede | basket |

**Ntụcha nchọcha**

Ebe a ka e depụtara ihe niile a chọpụtara gbasara isiokwu a bụ “mkpụrụụdaasụsụ na mkpụrụasụsụ: myiri na ndịiche ha n’olu Arọchukwu”.

**Ntụcha mkpụrụ ụdaasụsụ**

Mkpụrụ ụdaasụsụ bụ ụmụ irighiri mkpụrụedemede e nwere na mkpụrụokwu. Ọ bụ ụmụ mkpụrụedemede ndị a na-ewekọta nghọta ha na ụda ha ọnụ iji mebe mkpụrụokwu.

mkpụrụedemede ọ bụla dị n'okwu na-arụ ọrụ dịka mkpụrụ ụdaasụsụ. Mana ọ bụrụ na mkpụrụedemede kwụrụ onwe ya, ọ gaghị abụ mkpụrụ ụdaasụsụ. Tupu mkpụrụedemede aghọrọ mkpụrụ ụdaasụsụ, ọ ga-anọriri n'okwu ebe ọ ga-anọ na-enyere aka n'imezu nghọta okwu ọ dị na ya. Ọ bụrụ na mkpụrụ ụdaasụsụ ezughị oke na mkpụrụokwu, mkpụrụokwu ahụ agaghị ezu oke; ọ gaghịkwa enwe nghọta.

**Ọmụma atụ: (1)**

**Mkpụrụ ụdaasụsụ**

| | | |
|---|---|---|
| i. | anị /n/ | (meat) |
| | akị /k/ | (kernel) |
| ii. | ọkpa /ɔ/ | (leg) |
| | akpa /a/ | (bag) |
| iii. | ndi /i/ | (food) |
| | nde /ɛ/ | (million) |
| iv. | ivu /u/ | (face) |
| | ivo /o/ | (story) |
| v. | ovo /v/ | (soup) |
| | oso /s/ | (pepper) |

**Ntụcha mkpụrụasụsụ**

Ọ bụ mkpụrụ ụdaasụsụ na-emebe mkpụrụasụsụ. Mkpụrụasụsụ bụ ụmụ irighiri mkpụrụokwu a na-enweta n'okwu ga-abụ ọ kwụụrụ onwe ya, o nwee ụda ma nwekwuazi nghọta. Na o nwere ụda na nghọta agaghị eme ya ka ọ bụrụ mkpụrụokwu. Ọ bụ mkpụrụasụsu na-emebe mkpụrụokwu. N'ihi nke a, mkpụrụokwu ọ bụla nwere mkpụrụasụsụ mebere ya. Otu mkpụrụasụsụ ma ọ bụ karịa nwere ike imebe mkpụrụokwu. Mgbe otu mkpụrụasụsụ na-emebe okwu bụ mgbe e nweghịzi ike ikeri ya dịka mkpụrụasụsụ siri dị.

**Ọmụma atụ: (2)**

**Mkpụrụasụsụ**

| | | |
|---|---|---|
| i. | rị - da = rịda | (go down) |
| ii. | e – ri – la = erila | (don't eat) |

**Myiri dị na mkpụrụ ụdaasụsụ na mkpụrụasụsụ n'olu Arọchukwu**

(1) Ọ bụ mkpụrụedemede ka e ji emebe mkpụrụ ụdaasụsụ na mkpụrụasụsụ.

**Ọmụma atụ: (3)**

| | Mkpụrụ ụdaasụsụ | | Mkpụrụasụsụ | |
|---|---|---|---|---|
| i. | iwu /u/ (law) | i. | e – ri – kwa = erikwa | (don't eat) |

iwe /ɛ/ (angry)

| | | | |
|---|---|---|---|
| ii. | avọ /a/ (stomach) | ii. | Bịa – gị = bịagị(did not come) |
| | ọvọ /ɔ/ (curse) | iii. | bu – da = buda (carry down) |
| iii. | ike /k/ (strenth) | iv. | ba – ị = baị(go inside) |
| | ite /t/ (pot) | | |
| iv. | oku /k/ (to call) | | |
| | olu /l/ (one) | | |
| v. | ọsọ /s/ (run) | | |
| | ọgọ /g/ (in-law) | | |

N'ọmụma atụ ndị a e wepụtara, /u/, /ɛ/, /a/, /ɔ/, /k/, /t/, /k/, /l/, /s/, /g/ bụcha mkpụrụ ụdaasụsụ ebe e-ri-kwa, bịa-gị, bu-da, ba-ị n'otu n'otu bụgbado.

2) Mkpụrụ ụdaasụsụ na mkpụrụasụsụ na-enye nghọta na mkpụrụokwu ọ bụla ha batara.

**Ọmụma atụ: (4)**

| | Mkpụrụụdaasụsụ | | | Mkpụrụasụsụ | |
|---|---|---|---|---|---|
| i. | eze /z/ | (teeth) | i. | i – kpe – ge = ikpege | (money) |
| | ede /d/ | (coco yam) | ii. | kwu – o = kwuo | (talk) |
| ii. | ntị /ị/ | (ear) | iii. | kwe – ta = kweta | (believe) |
| | ntu /u/ | (nail) | | | |
| iii. | ubi /i/ | (farm) | | | |
| | ube /ɛ/ | (pear) | | | |

N'ebe a , mkpụrụ ụdaasụsụ ndị tinyere nghọta dị iche n'okwu ha batara bụ: /z/ dị na "eze" na /d/ dị na "ede", /ị/ dị na "ntị" na /u/ dị na 'ntu" na /i/ dị na "ubi" na /ɛ/ dị na "ube". Ya mere e jiri si na mkpụrụ ụdaasụsụ na-enye nghọta n'okwu ọ batara na ya. Ọ bụrụ na e wepụ mkpụrụ ụdaasụsụ ndị a, echiche ha agaghịzi ezu oke n'ahịrịokwu ọ bụla ha batara. Mkpụrụasụsụ anyị họpụtara bụ: "ikpege, kwuo na kweta". N'ebe a, ọ bụrụ na e wepụ "i" dị na "ikpege", ihe anyị ga-enweta bụ "kpege" ọ bụ mgbe mkpụrụasụsụ "i" batara na ya ka ọ ga-enwe echiche zuru oke. Etu a ka ọ dịkwa na mkpụrụokwu ndị ọzọ.

**Ndịiche dị na mkpụrụụdaasụsụ na mkpụrụasụsụ n'olu Arọchukwu**

(1) Mkpụrụasụsụ (mọfịm) bụ ụmụ irighiri okwu nwere ike ịkwụrụ onwe ha ma ọ bụrụ na e kewapụta ya n'okwu ma ọ bụ na mkpụrụokwu ọ dị na ya. O nwekwara otu mkpụrụokwu ga-esi dị ọ gaghịkwa ekwe nkeri. Mkpụrụasụsụ (mọfịm) na-enwe nghọta ma nwekwuazi ụda ma ọ bụrụ na ọ kwụrụ onwe ya. Mana mkpụrụ ụdaasụsụ (fọnịm) agaghị enwe ike kwụụrụ onwe ya. E kewapụta ya n'okwu, ọ

naghị enwe nghọta. Ọ bụ n'ime okwu ma ọ bụ mkpụrụokwu ọ dị n'ime ya ka nghọta ya na-adị.

**Ọmụma atụ: (5)**

| | Mkpụrụụdaasụsụ | | Mkpụrụasụsụ | |
|---|---|---|---|---|
| i. | ada /d/ (first daughter) | i. | de – e = dee | (write) |
| | ata /t/ (to chew) | ii. | ri – e = rie | (eat) |
| ii. | ava /a/ (name) | iii. | ga – a = gaa | (go) |
| | avọ /ɔ/ (stomach) | | | |
| iii. | uke /u/ (age grade) | | | |
| | oke /o/ (cat) | | | |

2) Mkpụrụedemede ọ bụla nwere ike ịbụ mkpụrụ ụdaasụsụ (fọnịm) mana ọ bụghị mkpụrụedemede ọ bụla nwere ike ịbụ mkpụrụasụsụ (mọfịm).

**Ọmụma atụ: (6)**

| | Mkpụrụụdaasụsụ | | Mkpụrụasụsụ |
|---|---|---|---|
| i. | Akị /k/ (kernel) | i. | ga – gị = gagị (did not go) |
| | azị /z/ (fish) | ii. | gbu – o = gbuo (kill) |
| ii. | atụ /a/ (chewing stick) | iii. | rị – da = rịda (go down) |
| | ịtụ /ị/ (to throw) | iv. | Bịa – gị = bịagị (did not come) |
| iii. | ovo /v/ (soup) | | |
| | oso /s/ (pepper) | | |
| iv. | ụzụ /z/ (noise) | | |
| | ụlụ /l/ (second daughter) | | |

3) Mkpụrụụdaasụsụ (fọnịm) bụ ụda ndị ahụ nwere ike ibute ndịiche n'okwu ole na ole bụ ndị kaara iyi onwe ha ma n'ụdị ma na nghọta ma e wepụ naanị otu mkpụrụ ụdaasụsụ. N'ụzọ ọzọ, mkpụrụ ụdaasụsụ bụ ụda ndị ahụ na-ebute mgbanwe na nghọta n'otu mkpụrụokwu na ibe ya. A bịa n'okwu abụọ ndị a /aka/ na /ara/ ọ bụ /k/ na /r/ bụ mkpụrụụdaasụsụ abụọ mere ka mgbanwe dị na nghọta ha. Ebe mkpụrụasụsụ (mọfịm) bụ ụmụ irighiri mkpụrụokwu a na-enweta n'okwu nke ọ ga-abụ ọ bụrụ na ọ kwụrụ onwe ya, o nwee ụda ma nwekwuazi nghọta. Mana, na o nwere ụda na nghọta agaghị eme ya ka ọ bụrụ mkpụrụokwu.

## Nchịkọta

Nchọcha a gbadoro ụkwụ na "mkpụrụ ụdaasụsụ na mkpụrụasụsụ: myiri na ndịiche ha n'olu Arọchukwu". Ihe ndị e webatara iji mee ka nchọcha a dị mfe bụ mkpụrụokwu ndị e depụtara si n'olu Arọchukwu nke nyere aka kọwaa myiri na ndịiche dị na mkpụrụ ụdaasụsụ na

mkpụrụasụsụ n'olu Arọchukwu. Ndịiche dị n'etiti Igbo izugbe n'olu Arọchukwu pụtakwara ihe na mkpụrụokwu ndị a e ji mee nchọcha. Ha mekwara ka isi okwu a pụta ihe sitere n'ịkọwasị ihe bụ mkpụrụ ụdaasụsụ na mkpụrụasụsụ. N'ikpeazụ, nwa nchọcha gbasoro usoro niile e ji eme nchọcha were mee nchọcha a.

## Mmechi

Nwa nchọcha chọpụtara na e nwere usoro e hiwere e ji eme nchọcha nke onye ọ bụla na-eme nchọcha aghaghị ịgbaso. Usoro ndị a e mepụtara bụ: ụmi edemede, okwu mmalite, ntụleghari agụmagụ, ntụcha nchọpụta nchọcha, nchịkọta na mmechi. Ndị nchọcha gbasoro usoro ndị a e wepụtara were mee nchọcha ha. Nchọcha a ga-enyere ndị ọzọ ga-achọ ime nchọcha na mkpụrụ ụdaasụsụ na mkpụrụasụsụ n'asụsụ ọzọ aka inwe ihe nlere anya mgbe ha na-eme nchọcha nke ha. Ihe nwa nchọcha chọpụtara site na nchọcha a bụ isi sekpụ ntị na mkpụrụ ụdaasụsụ na mkpụrụasụsụ. N'ikpeazụ, site na nchọcha a, nwa akwụkwọ ọ bụla amaghị ihe bụ mkpụrụ ụdaasụsụ na mkpụrụasụsụ, myiri dị na ha na uru ha bara n'asụsụ Igbo ga-amụta ya site na nchọcha a.

## Edensibịa


Anagbogu, P. M, Mbah, B. M and Eme, C. A (2010). *Introduction to linguistics*. Awka: Amaka dreams

Apakama, L.M. (2006). *Ndubata n'ụtọasụsụ na ụdaasụsụ Igbo*. Owerri: Divine mercy publishers.

Anozie, C.C. (1999). *Lingwistiiki sayensị asụsụ*. Nsuka: Fulladu publishing company.

Booij, G. E. (2012). *An introduction to linguistics morphology, (13th ed).* Oxford: Oxford University press.

Crystal, D. (2003). *The cambridge encylopedia of the English language (2nd ed.)*. Cambridge: Cambridge universty press.

Demson, C. F. (2008). *Igbo ọgbara ọhụụ maka nkuzi na ọmụmụ asụsụ na ụtọasụsụ Igbo*. Aba: C-dems books publishers.

Dixon, R. M. W (2009). *Basic linguistic theory vọl 1*. Oxford: Oxford University.

Ewelukwa, U. (2012). *Nhazi asụsụ Igbo*. Onitsha: A.C. global publishers.

Ezema, T.O. (2012). *Nkuzi ụdaasụsụ Igbo*. Kontagora: Unique press.

Ezeumudo, R.M. (1985). *Nchịkọta ọmụmụ asụsụ Igbo*. Onitsha: Kawụriz and Manilas.

Ezeumudo, M.O. (2000). *Nchịkọta ọmụmụ lingwistiiks nkọwa*. Nsuka: University press.

Emenanjo, N. (2015). *A grammar of contemporary Igbo*. Port Harcourt: M & S grand orbit.

Kingstan, J. (2007). *The phonetics phonology interface: The cambridge hand book of phonology*. Cambridge: Cambridge University press.

Mbah, B.M & Mbah, E.E. (2014). *Atụtụ amụmamụ asụsụ*. Nsụka: University of Nigeria press.

Murray, T. E. (1995). *The structure of English: phonetics, phonology and morphology*. Allyn and Bacon.

Nathan, G. S. (2008). *Phonology: A cognitive grammar introduction*. John Benjamins.

Ndimele, O. (2003). *Morphology and syntax*. Port Harcourt: M and J Grand Orbit communication

Nwabuko, N. E. (2015). *Mkpụrụụdaasụsụ olu Uzuakoli*. Ngalaba ọmụmụ asụsụ Naijiria na Lingwistiks. Alvan Ikoku Kọleeji Keedukeshịọn, Owere.

Odden, D. (2013). *Introducing Phonology (2nd ed)*. Cambridge: Cambridge University press.

Okebaram, G.C, Oguchukwu, N. C. & Nwaigbo, O. I. (2014). *Ntụlerịkọta mkpụrụụdaasụsụ olundị Obazụ Mbieri na Ehime Mbano*. Owere: Ngalaba na-amụ asụsụ Naijirịa nke A.I.F.C.E.

Osuagwu, B. I. N, Nwaozuzu, G. I, Dike, G. A, Nwaogu, V. N & Okoro, L. O (1997). *Fundamentals Linguistics*. Colon concept.

Roach, P. (2000). *English phonetics and phonology: A practical course*. Cambridge: Cambridge University press.

Trask, R.L (2004). *A dictionary of phonetics and phonology*. Routledge.

Ume, I. A. O, Ugoji, J. U & Dike, G. A (2006). *Ụmị nkọwa ụtọasụsụ Igbo*. Owerri: Ark publishers .

Umeodinka, A. U, Ugochukwu, C. N, Ogwudile, C. E. C. & Ilechukwu, D. I (2019). *Kpọkọpị ụtọasụsụ Igbo na ntụgharị*. Awka: Divine press.

Whitla, W. (2010). *The English hand book*. New York: Wiley-Blackwell.